## NDI OTU KRISTI NABANU NA MISSA AGWUSIGO: B.C. OKONKWO

*For St. Gabriel's Catholic Church Choir, Umunnachi.*

## KEY G 4/4 ALLEGRO

**SOP INTRO**: Ndi otu Kristi nabanu na missa agwusigo; Gabanu gbasaba ozioma nke Chukwu.

**Sop**: Ndi otu Kristi nabanu na Missa agwusigo; Gabanu gbasaba ozioma nke Chukwu; ka mmadu nile bi n'uwa site n'ezi omume anyi mebe Uche Chukwu...ka udo n'onu wee di n'uwa nile.
**Alto & Tenor:** Ndi otu Kristi ka'nyi naba na Missa agwusigo; Gabanu gbasaba ozioma nke Chukwu (*Alto join Sop*): ka mmadu nile bi n'uwa site n'ezi omume anyi mebe Uche Chukwu.(***wait for bass***)...ka udo n'onu wee di n'uwa nile.
**Bass:** Ndi otu Kristi nabanu Missa agwusigo; Gabanu gbasaba ozioma nke Chukwu.(*wait for Sop and Alto........*) **N'uwa nile**; ka udo wee di n'uwa nile.

## Verses:

1. (**Sop**)Aja Missa di nso anyi churu bu aja ihunanya, aja di oke onu, aja di nso; k'anyi jiri ihunanya ahu gbasaba ozioma n'uwa nile.
   (**Alto**) Aja Missa anyi churu bu aja ihunanya anyi na'chujere Chukwu, obu aja di nso; k'anyi jiri ihunanya ahu gbasaba ozioma n'uwa nile.

2. (**Sop**): Ndi otu Kristi kelenu Chukwu; kelenu Chukwu, Onyeokike; kelenu Chukwu, n'ihi n'Odi mma; ka amara Chineke duru anyi naba.

   (**Alto**): Ndi otu Kristi kelenu Chukwu, Onyeamara; doo kele Ya...doo kele Ya n'ihi n'Odi mma; ka amara Chineke duru anyi naba.

   (**Tenor**): Ndi otu Kristi kelenu Chukwu Onyeamara; kelenu Chukwu mgbe nile; doo kele Ya, n'ihi n'Odi mma; ka amara Chineke duru anyi naba.

   (**Bass**): Ndi otu Kristi, ndi otu Kristi kelenu Chukwu, Onyeamara; kelenu Chineke n'ihi n'Odimma, //n'ihi n'Odi mma; ka amara Chineke duru anyi naba.